# EBE NSỌ KACHASỊ EBE NSỌ NIILE: ỌWỤWỤMMIRI NKE MMỤỌ NSỌ

**Ọpupu 26:31-35; 37:1-9; 40:20, 21, 34-38; Levitikọs 16:2; Ọlu Ndi-ozi 2:1-4; Ndi Hibru 9:6-8; 10:19-22**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 74 - Nke Ndị etiti**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Mu onwem gēkpe-kwa-ra Nnam, ọ gēnye kwa unu Onye-nkasi-obi ọzọ, ka Ọ nọyere unu rue mgbe ebigh-ebi" (Jọn 14:16).**

## Anyị Aghaghị Isite N'Ebe Nsọ Ahụ Gafee

Anyị atụlebeghị imeụlọ ahụ dị nime Ụlọukwu Chineke nke amatara dịka Ebe Nsọ Kachasị Ebe Nsọ Niile, maọbụ Ebe Nsọ Kachasị Nsọ. Imeụlọa dị fit irinaise ra nrata n'akụkụ anọ ma dị kwa fit irinaise n'elu, nke eji ezi ákwà ọcha mkwụba dị ikputu eji ogho anụnụ, ogho uhie, ododo na ọlàedo kpaa kewapụ site n'Ebe Nsọ ahụ. Anyị chọrọ ịrịba ya ama nkeọma na ọ dịghị ụzọ ọzọ esi abànye nime ụlọ a ma ọ bụghị site n'Ebe Nsọ ahụ. Ọ dịghị onye ọzọ pụrụ ịbànye ma ọ bụghị nááná onyeisi nchụàjà, ma ya onweya otù ugbò n'arọ, n'Ụbọchị Mkpuchimmehie. Anyị matara na ọ gaadị nsọ ma eji kwa ọbara ahụ doo ya nsọ tupu o nweeike ịbànye n'Ebe Nsọ ahụ; ma n'Ụbọchị Mkpuchimmehie ahụ ọ naeyikwasị uwe ezi ákwà ọcha pụrụ ichè iji mata nkeọma na ha dị ọcha tupu ọ bànye n'Ebe Nsọ Kachasị Nsọ.

Ọ dịghị ihe ọzọ nke dị nime ụlọ ahụ ma ọ bụghị Igbe Ọgbụgbandụ ahụ, nke etinyere mbandamba nkume abụọ ahụ, Iwu Iri ahụ, uche nke Chineke ahụrụ anya. Igbe Ọgbụgbandụ ahụ dị n'ụdị igbe ejiri ọlàedo machita elu ya na n'ime ya. Okwuchi ya bụ ọlàedo dị ike ma akpọrọ ya ebe mkpuchimmehie. Cherubim abụọ nke eji ọlàedo anaagwaghị agwa mee ka edobere n'isi ọ bụla nke isi abụọ nke ebe mkpuchimmehie ahụ, bụ́ nke náecherịta iru náeleda kwa anya n'elu ebe mkpuchimmehie ahụ. N'ebe a n'igweoji ka Chineke naegosi nnọnye Ya dị nsọ, n'etiti cherubim abụọ ahụ (Abù Ọma 80:1; 99:1).

Ọ dịghị ìhè dị nime Ebe Nsọ Kachasị Ebe Nsọ Niile. Kama hà chọrọ ìhè mgbe Chineke nọ n'ebe ahụ? Ná Mkpughe anyị gụrụ banyere Jerusalem ọhụụ: "Anyanwu ma-obụ ọnwa adigh kwa obodo ahu mkpà, ka ha mukwasi ya; n'ihi na ebube Chineke nyere ya ìhè, oriọna-ya bu kwa Nwa-aturu ahu" (Nkpughe 21:23).

## Ụbọchị Mkpuchimmehie

N'ụbọchị Mkpuchimmehie mgbe onyeisi nchụàjà banyere n'Ebe Nsọ Kachasị Ebe Nsọ Niile ọ ghaghị iji ụfọdụ ọbara ahụ sitere n'àjà mmehie, (nke etinyeworo ụfọdụ n'ebe ịchụàjà nke ọlàedo) na ụfọdụ n'ọkụ nsọ na ihe nsureọkụ naesi ìsìụtọ nke sitere n'ebe ịchụàjà ọlàedo. O naehudata isiala ịgafe ákwà mkwụba ahụ dịka ọ naeji nsọpụrụ na egwù abànye n'iru Chineke. Anwụrụọkụ nke ihe nsureọkụ ahụ náesi ìsìụtọ, naala elu dịka ekpere na abụ̀ n'esepụghị aka, bụ mkpuchite nke dị n'agbata ya na ebube dị egwù nke Chineke. "Ọ gētiye kwa ihe-nsure ọku ahu nēsi ìsì utọ n'elu ọku n'iru JEHOVA, ka anwuru-ọku nke ihe-nsure-ọku ahu nke nēsi ìsì utọ we kpuchie ebe-nkpuchi-nmehie nke di n'elu ihe-àmà ahu, ka ọ ghara inwu" (Levitikọs 16:13).

Anyị ahụwo na anyị aghaghị ịdịnsọ, na edoro anyị nsọ, na awụsara Ọbara ahụ n'obi anyị, tupu anyị enweike ịbànye n'Ebe Nsọ ahụ. Ekpere niile nke anyị naala n'elu n'oge niile n'abụ̀ na iji obichụàjà dịka ihe nsureọkụ náesi ìsìụtọ nke anaesure n'ebe ịchụàjà ahụ. Anyị naarịọ n'oge niile ka Ọbara ahụ kpuchie ndụ anyị debe anyị ọcha. Ma ọ dị kwa iheọzọ nke dị ukwuu dịrị anyị ime.

## Ike Nime Ụbọchị Ikpèazụ̀ Ndị a

Onyeisi nchuàjà naabanye n'Ebe Nsọ Kachasị Nsọ otù ugbò n'arọ ma ọ ghaghị kwa ịpụta ọzọ n'ihi "akēmegh ka uzọ ibà n'ebe nsọ ahu puta ìhè, mgbe ulo-ikwu mbu ahu nēguzogide" (Ndi Hibru 9:8). Mmụọ Nsọ naadakwasi ndị nsọ nke Chineke n'oge Iwu, náete ha mmanụ n'ihi ọlụ pụrụ iche, ma otite mmanụ ahụ naadịgide nááná nwa oge. Ma nwụsa nke Mmụọ Nsọ nye anụarụ niile nke gaenweta ike iji lụọọlụ bụ ihe edebeworo nye ụbọchị ikpèàzụ̀ ahụ nke Joel kwuru: "Ọ gēru kwa ma emesia, na M'gāwusa Mọm n'aru anu-aru nile" (Joel 2:28). Pita mere ka nke a pụta ìhè n'Ụbọchị Mwụkwasị nke Mmụọ Nsọ (Ụbọchị Pentikọst) mgbe ọ gwara ọrà mmadụ okwu, "Kama nka bu nke ekwuworo site n'ọnu Joel onye-amuma" (Ọlu Ndi-ozi 2:16). Mmụọ ahụ adakwasiwo mmadụ niile ndị nọ nime ụlọ elu ahụ bụ́ ndị zukọtara n'otù ebe n'otù obi ichere Onyenkasịobi ahụ ekwere ná mkwà ma ha sụrụ asụsụ n'ire dị icheiche ịbụrụ ihe ịgbààmà na awụwo ha mmiri nke Mmụọ Nsọ. Nke a wetara óké ịgbàaghara n'etiti ndị ahụ gere ha ntị ma Pita mere ka ha ghọta na ọ bụ mmezu nke amụma ahụ, ike ahụ eji alụ ọlụ nye nwoke, nwanyị, ndịokenye na okoro, Onye Ju na Ndị Mbaọzọ. "Onye ọ bula nke gākpọku aha Onye-nwe-ayi."

## Àkwà Mgbochi Ahụ Agbawara

Ọ dị ihe mere na agbata oge ahụ mgbe onyeisi nchụàjà naabà n'Ebe Nsọ Kachasị Ebe Nsọ Niile otù ugbò n'arọ̀, na n'Ụbọchị Pentikọst mgbe Mmụọ Nsọ dakwasịrị ndị ahụ nọ nime ụlọ elu. Mgbe Ụmụ Israel bisịrị ike n'Ala Mkwà ahụ alụrụ Ụlọukwu Chineke n'ụdị àtụ̀mààtụ̀ nke Ụlọikwuu ahụ nwere Ebe Nsọ na Ebe Nsọ Kachasị Ebe

Nsọ Niile. N’ebe ahụ ka Igbe Ọgbụgbandụ nke Chineke zuruike n’àzụ̀ ákwà mgbochi ahụ nime ịdịnsọ na nsọpụrụ niile nke o nwere nime Ụlọukwu Chineke ahụ. Otù ememe ahụ ka ndị nchụàjà naeme kwa dịka nime ọzara ahụ.

Mgbe ahụ Jisọs bịara imezu Iwu ahụ. Ọ dịghị kwa mkpà ọzọ iwere ụmụ atụrụ chụọàjà, n’ihi na Jisọs bụ̀ Nwaatụrụ nke Chineke; ọ dịghị mkpà ewuọpụpụ ahụ dị n’Ụbọchị Mkpuchimmehie, n’ihi na Jisọs aghọworo anyị ewuọpụpụ. Jisọs hụrụ ahụhụ n’àzụ̀ obodo iji Ọbara Ya doo ndị Ya nsọ, ya mere ọ dịghị kwa mkpà àjà ikpuchi mmehie ọzọ dị. N’otù oge ahụ Ọ nwụrụ n’elu obe, àkwàmgbochi ikputu ahụ, eji ogho uhie, na anụnụ na ododo na ogho ọlàedo kpaa gbawara site n’elu rue ala, náemeghe ụzọ ịbànye n’ebe imeime ahụ dị nsọ ebe Iru Chineke naebi. Pọl gwara anyị na ákwàmgbochi ahụ nọchitere anụarụ nke Jisọs, ma mgbe adụwara arụ Ya n’ihi anyị, anyị pụrụ ịba n’ụzọ ọhụụ nke dị ndụ, bụ̀ ihe karịrị ihe ọ bula nke ndịnsọ n’Agba Ochie pụrụ inwe ọn̄ụ nime ya.

## Ọgbụgbandụ Nke Ka Mma

Onyeisi nchụàjà naewere ọbara mkpuchimmehie ahụ naabanye n’Ebe Nsọ Kachasị Nsọ n’ịtụegwù; ma anyị onweanyị ugbu a pụrụ iji Ọbara nke Jisọs nke zọpụtara ma doo anyị nsọ, banye n’Ebe Nsọ kachasị Nsọ náeji mkwuwa okwu (Ndi Hibru 10:19, 20). Nime akwụkwọ niile nke Ndi Hibru Pọl gwara anyị na Agba Ọhụụ karịrị Agba Ochie ahụ. Ụlọikwuu ahụ bụ onyinyo nke àtụ̀mààtụ̀ nke mgbapụta Chineke, ma Jisọs bịara imezu ya. Taa anyị nwere onye nchụàjà ka mma (Ndi Hibru 7:20-28), ọgbụgbandụ ka mma (Ndi Hibru 8:6), na àjà nke ka mma karị nke ụmụanụmanụ (Ndi Hibru 9:23).

## Nye Mmadụ Niile

Ndị Israel bụ̀ ndị nke Chineke rọpụtara, enyekwara ha ọgbụgbandụ nke Chineke. Site n’aka ha ka agaesiteworị nye ụwa Okwu Ya. Ma mgbe Jisọs sitere n’ọnwụ Ya meghe ụzọ ịbànye n’Ebe Nsọ Kachasị Nsọ, onye ọ bụla nweziri onweya ịbànye n’ozuzuókè nke nzọpụta. (Izuókè nke nzọpụta jikọtara ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ, na ịgụ mmadụ n’onye eziomume na odudonsọ). “Anu-aru nile,” nke Joel na Pita kwuruokwu ya, nwere onweha ugbu a ịbà nwere ọn̄ụ nke ya na Chineke inwe mmekọrịta, na inwe nnọnyere nke iru Ya nime ndụ ha ụbọchị niile.

Mgbe Jisọs naasị ndị náesoụzọ Ya nọdụ nkeọma O kwere ha mkwà Onyenkasịobi ahụ, Mmụọ Nsọ ahụ. Onyenweanyị sịrị na Mmụọ ahụ **naanọnyere** ha n’oge ahụ, ma mgbe Ọ lara Mmụọ ahụ gaabịakwasị ha wee biri **nime** ha (Jọn 14:17). Anyị matara na ọ dịghị mgbe ọ bụla enyere ndị náesoụzọ Jisọs ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ tupu Jisọs anwụọ, n’ihi na Ọ sịrị “Ọ bu ihe bara unu urù ka Mu onwem la: n’ihi na asi na alaghm, Onye-nkasi-obi ahu agagh-abiakute unu; ma ọ buru na alam, M’gēzite ya nye unu” (Jọn 16:7). Ma banyere Onyenkasịobi ahụ O kwuru “Ma mgbe ọ bula Onye ahu gābia, bú Mọ nke ezi-okwu, Ọ gēdubà unu n’ezi-okwu nile” (Jọn 16:13). Ka Chineke kwee ka mkpụrụobi ọ bụla kpee ekpere nke eziokwu ịnata mbinyere Iru nke Mmụọ Nsọ ahụ nke gaeme ya ka ọ bụrụ ìhè náenwuenwu nime ụwa a ma nye kwa ya ike ịlụsi ọlụ ike.

### AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Òlee ebe ka Ebe Nsọ kachasị Nsọ dị?
2. Òlee otú mmadụ gaesi bànye? (Ònye, òlee mgbe ọ bụ, na ọnọdụ dị añaa?)
3. Gịnị mere ákwàmgbochi ahụ mgbe Jisọs nwụrụ? Òlee otú nke ahụ si metụta anyị?
4. Òlee mgbe nwụpụ nke ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ malitere?
5. Gịnị mere anyị ji náachọ ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ? Ònye pụrụ ịnata ya?